


© mythja/iStock/Thinkstock

## Oziọma Maka Ọgwụgwọ Ọrịa Ime-mmụọ

The Church of Christ, Scientist bu **Ọgbakọ nke ndị nọ n'Okpukpere-chi Kraịst**, ndị werela Baịbụlụ na, ọkachasị nkuzi nke Jisus, tinye n'obi na nkpụrụobi nke ịlụ ọlụ dị na ya.

*Sayensi na Arụike nke nwere Nkpịsị-igodo eji akpọghe ihe edere n'Akwụkwọ nsọ* nke Mary Baker Eddy dere sịrị: "Jisus hiwere nzukọ ya, me kwa ka ọlụ ya ga n'iru na ntọ-ala ime mmụọ nke usoro ọgwụgwọ ọrịa Kraịst." Nkea bụ **ije ozi nke naga n'iru** nke The Church of Christ, Scientist.

Itinye **usoro ọgwụgwọ ọrịa nke Kraịst** a n'ọlụ emewo ka enwe ọtụtụ ọgwụgwọ ọrịa nke nsogbu anụarụ na nke uche kemgbe ihe karịrị otu narị arọ; enwere ike inweta ọtụtụ akụkọ banyere ihe ndịa n'ozi-ikuku nke kọmpịta. Nime Kristen Sayensi anahụta Chineke dịkà Onye nakwado arụike na ọdịnma mgbe nile. Ike nke ekpere dabereghị nanị n'okwukwe, kama inwe nghọta dị omimi banyere iwu nso Chineke, nke n'echekwa onye ọbụla.

Onye ọbụla nwere ike ịrọpụtara onwe ya na ezi-n'ụlọ ya ụdị **n'chekwa arụike** nke g'egboro ha nkpa ha. Site n'itinye Kristen Sayensi n'ọlụ ọtụtụ mmadụ adịwo ndụ naĮụghị ọgwu, nagbasoghị kwa usoro ihe anụarụ ndị ọzọ iji chekwa arụ ha.

## Chọpụta ihe ndị ọzọ

**Ga na ChristianScience.com/ig**

- Gụa mọbụ zụta Baịbụlụ na *Sayensi na Arụike nke nwere Nkpịsị-igodo eji akpọghe ihe edere n'Akwụkwọ nsọ.*
- Sonye n'ịka ụka nke Sọnde m'ọbụ na nzukọ ọgbụgba-ama nke Wednesday m'ọbụkwanụ sonye na nke igwe kọmpịta.
- Ga na Ụlọ Ọgụgụ-ihe Kristen Sayensi m'ọbụ ga na gere lekchọ Kristen Sayensi
- Chọta onye ọgwọ-ọrịa nke Kristen Sayensi, onye nkuzi, m'ọbụ onye nlekọta-onye-ọrịa nke Kristen Sayensi.
- Sonyere ndị otu Kristen Sayensi nọ n'ụlọ akwụkwọ uku, m'ọbụ na Mahadum (CSO).
- Kpọturu The Mother Church, bụ The First Church of Christ, Scientist.
- Chọta, gụa, ma gere edemede di iche iche, ọgbụgba-ama dị iche-iche banyere ịgwọ ọrịa, na akwụkwọ Ọmụmụ-ihe Baịbụlụ nke izu ụka.
- Kpọturu The Mary Baker Eddy Library maka ihe dị iche-iche ha neme nye ọhaneze, na ime nyocha maka agụm-akwụkwọ.

© 2019 The Christian Science Board of Directors

# Gịnị bụ Kristen Sayensi?

Mary Baker Eddy, onye chọpụtara ma hiwe Kristen Sayensi, kọwara ya dịkà "iwu Chineke, iwu nke ihe ọma..." *(Rudimental Divine Science).* Nghọta nkea dị omimi banyere Chineke, dịkà Ịhụnanya negweghị nsọtu, na ịdị mma nadịghị agbanwe agbanwe n'eduba nekpere nke nwere ike ịgwọ ọrịa, zọpụta, ma me mmadụ ọbụla ka ọ dị kwa mma ọzọ.

N'arọ 1866, mmerụ-arụ nke pụrụ iwepụ ndụ mmadụ, manyere Mary Baker Eddy iji obi ya nile gbakuru Chineke. O mepere Baịbụlụ ya, ebe edere etu Jisus si gwọ otu nwoke ngwa-ngwa n'ozuzu oke. Nghọta ohu banyere Chineke, Mmụọ, dịkà nanị ihe dị adị nezie, jupụtara echiche ya, o we nwe ọgwụgwọ ozugbo. Ma ọ gụsiri ya agụ ike ịmata etu nka siri me, na ihe kpatara o ji me. Nime ọtụtụ arọ ndị nabịa abịa ọ gara niru inyocha na ịchọpụta site na Baịbụlụ iwu Chineke, nke kpatara ihe a ji me, nke gaghọ kwara ya ihe ndabere iji kuzie ma tinye Kristen Sayensi n'ọlụ.


Kemgbe ahụ, ọtụtụ mmadụ achọpụtawo na mgbe ha nwere nghọta dị nma banyere ịdịnotu nke ha na Chineke site na Sayensi nke Okpukpere-chi Kraịst a, arụike ha naloghachi, akparamagwa ha adị kwa nma ọzọ. Ọgwụgwọ ọbụla nakpalite agụụ nke sitere n'obi inyere ndị ọzọ aka, na ịmata etu Chineke siri hu anyị nile n'anya.

*Amatawom na aghaghị iche echiche nime mmụọ, ka ewe ghọta Mmụọ. Ọ genwerịrị eziokwu, rapụ ọchụchọ-onwe, ma dị ọcha, ka o we nwe ọbụna obere nghọta banyere Chineke nime Sayensi nsọ.*

MARY BAKER EDDY

## Ebe mmalite Kristen Sayensi

Baịbụlụ, site na Jenesis rue na Nkpughe, bụ ntọala banyere ozizi nke Kristen Sayensi na itinye ya n'ọlụ. Ka arụtu aka, na ije ozi nke Jisus negosị na anyị nenweta ọgwụgwọ na nmunwe dịkà anyị nahụta na nke bụ ezi ọdịdị anyị nwere bụ ihe ime mmụọ, ndị e kere n'onyonyo na oyiyi nke Chineke. A gahụgasị ihe ịma-atu banyere nkea nime baịbụlụ n'akụkọ a kọrọ banyere Abraham, Moses, ndị amuma, Jisus na ndị ozi ya, na ndị neso ụzọ ya n,oge ahụ.




Nnyocha ime mmụọ nke Mary Baker Eddy mere ogologo oge nime ndụ ya, dubara ya n'ihe o mesịrị were ya dịkà ihe-nchọpụta. Ọ hụrụ na iwu nile nke Chineke bugasi ihe ime mmụọ di ike, nke anaghaghị ime, nke dị adị mgbe nile, nke nalụ ọlụ maka ịgwọ mmadụ ọrịa, ịzọpụta ya, na igọzi ya. Nghọta o nwere bụ, na nkea bụ Okpukpere-chi Kraịst ahụ apụrụ itinye n'ọlụ, nke Jisus kuziri.


Banyere ije ozi ya nusoro ọgwụgwọ-ọrịa nke ndị otu Kraịst, nke neto eto, Mary Baker Eddy dere n'akwụkwọ na akpọrọ ya ka ọ hụ otu onye ọrịa nke onye dibịa amara nke ọma nelekọta ya kwuru na ọ gaje ịnwụ nihi ọrịa ngù. "Mgbe ọ hụrụ na agwọrọm nwanyị ahụ ozugbo n'ejighị ihe-anụarụ obula, ọ jụsirim ajụjụ ike ma o nwere ihe m dere n'akwụkwọ nke nakọwa usoro ọgwụgwọ-ọrịa nkem... ọ gwaram ka m'de akwụkwọ ozugbo nke gakowara ụwa nile etu m'si eji uche agwọ ọrịa" *(The First Church of Christ, Scientist, and Miscellany).*

N'oge ahụ, ọ malitewori idepụta mpé-mpé edemede nke gemesị buru edemede mbụ ya bu ***Sayensi na Arụike nke nwere Nkpịsị-igodo eji akpọghe ihe edere n'Akwụkwọ nsọ,*** bụ nke nkọwa zuru okè banyere Kristen Sayensi na ọlụ nmunwe nke ime mmụọ na ọgwụgwọ ọrịa jupụtara.

## Ụka The Church of Christ, Scientist, na ọlụ ya di iche iche

Baịbụlụ, gbakunye *Sayensi na Arụike* nalụkọta ọlụ dịkà **Onye-ọzụzụ-atụrụ** nebe nile Ụka a dị gburugburu ụwa, we nenye odudu na npali nsọ, otu aka ahụ, newepụta kwa ihe eji ekwu okwuchukwu na ihe ọgụgụ maka ofufe nile. Ọ bụ ndị otu Ụka nkea neje ozi nile nalụ kwa ọlụ nile dị na ya.

Mary Baker Eddy hiwere Ụka The Church of Christ, Scientist, na arọ 1879. Nkea gụnyere, **The Mother Church** dị na Boston, USA, tinyere **ngalaba Churches of Christ, Scientist**, n'uwa nile, nke ọbụla nedebe ife ofufe nke Sọnde, **Ọmụmụ-ihe nke Sọnde**, nzukọ ọgbụgba-ama nke etiti izu ụka, **Ụlọ Ọgụgụ** ihe maka ọhaneze, na inye **lekchọ**. Ọmụmụ-ihe nke Sọnde nke dịrị ndị ntorọbịa ndị ruru iri arọ abụa bụ ọmụmụ-ihe nkparịta-ụka nke dabere na Baịbụlụ na etu agesi tinye ihe nmụta ya n'obibi-ndụ nke ta mgbe nile. Nzukọ nke aneme ụbọchị Wednesday nile gụnyere ọgbụgba-ama banyere ịgwọ ọrịa nke ndị nabịa na nzukọ ahụ nagba. Ụlọ Ịgụ Akwụkwọ dị iche-iche nenwe ọtụtụ akwụkwọ, na akwụkwọ-izu nile ndị nede ihe banyere Kristen Sayensi, nwe kwa Baịbụlụ na akwụkwọ ndị nakọwa ihe edere na Baịbụlụ, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Ananabata onye ọbụla ịbịa gụa akwụkwọ ndịa nile.




**Ndị ọlụ ọgwọ-ọrịa nke Kristen Sayensi** na **ndị nlekọta-onye-ọrịa nke Kristen Sayensi** nọ kwa maka itinyekwu enyemaka oge mmadụ nekpe ekpere ịnata ọgwụgwọ ọrịa. Ndị ọlụ ọgwọ-ọrịa nekpe ekpere maka ịgwọ ọrịa, ebe ndị nlekọta onye-ọrịa nenye nlekọta, nke eji aka we neme, nke ọgwụ nesoghị.

Ụka The Church of Christ, Scientist nenye ndị ntorobia na ndị okenye **nkuzi ime mmụọ**, nke gbasara Ọmụmụ-ihe nke Sọnde, Ọmụmụ-ihe Baịbụlụ nke izu ụka, nke dị na ***Christian Science Quarterly*** (Kristen Sayensi Kwọtali); anenwe kwa ọzùzù izu ụka abụa nke anenye banyere ịgwọ ọrịa site n'ekpere ime mmụọ, nke onye nenye ya bụ Onyenkuzi Kristen Sayensi enyere ikike, nwe kwa ọmụmụ-ihe nesochi ya, nke aneme kwa arọ.




***The Herald of Christian Science*** (Akwụkwọ Hirald nke Kristen Sayensi), nke ebipụtara ebipụta na nke dị n'ozi-ikụkụ kọmpịta nasụsụ dị iche-iche, gbakunye ***The Christian Science Journal*** na ***Christian Science Sentinel*** ndị anebipụta n'izu-ụka na n'ọnwa ọbụla n'asụsụ Bekee, ha nile nekwupụta maka ọlụ Kristen Sayensi banyere ike nzọpụta, na ọgwụgwọ ọrịa ya, site n'edemede nkwupụta ọgwụgwọ ọrịa dị iche-iche enyochara nke ọma.

***The Christian Science Monitor*** nke Mary Baker Eddy hiwere n'arọ 1908, neweta akụkọ gbasara ụwa n'ụzọ nakpalite echiche, n'ụzọ ebere, na n'ụzọ ziri ezi, nke neme ka enwe ọganiru na olile-anya nime ahụhụ na nsogbu. Ehiwere ya ka "ọ ghara imejọ onye ọbụla, kama ka ọ gọzie mmadụ nile" *(Miscellany).* Akwụkwọ *Monitor*, nke nwetaworo ọtụtụ nturu-ugọ nke Pulitzer Prizes gbakunye ọtụtụ ihe nrite ndị ọzọ, nwere websaịt bu (CSMonitor.com), nwe kwa akwụkwọ anaebiputa kwa izu ụka, tinyere ihe ngbasa ozi kwa ụbọchị bụ (Monitor Daily).

